SALVATION MINISTRIES
HOME OF SUCCESS

Z

NTUZIAKA EJI ENWE OFUFE NA NZUKỌ KRAIST DỊ N'ỤLỌ KWA IZU ỤKA

H

IHE ỊBỤ N'UCHE NKE AFỌ A: ENYEMAKA SI N'ELU. (OLU NDI OZI 26:22)

ISIOKWU: ONYE AMỤMA GỊ NA ỌGANIHU GỊ

DEETI: 15/10/24.

| S/NO | IHE OMUME | OGE | MGBE | NDỊ NCHỊKỌTA |
|---|---|---|---|---|
| 1. | EKPERE MBIDO | 6:00 - 6:02 | NKEJI 2 | |
| 2. | ABỤ OFUFE NÁ ABỤ OTUTO | 6:02 - 6:09 | NKEJI 7 | |
| 3. | ỌTỤTỤ EKPERE | 6:09 - 6:21 | NKEJI 12 | |
| 4. | OKWU NWULITE/ INABATA KRAỊST | 6:21 - 6:33 | NKEJI 12 | |
| 5. | ỊKPALITA ỤKA/ỊJU AJỤJỤ | 6:33 - 6:40 | NKEJI 7 | |
| 6. | EKPERE NKE ONWE ONYE | 6:40 - 6:48 | NKEJI 8 | |
| 7. | ỌGBỤGBA ÀMÀ | 6:48 - 6:51 | NKEJI 3 | |
| 8. | ỊNABATA NDỊ ỌHỤRỤ | 6:51 - 6:53 | NKEJI 2 | |
| 9. | ORIRI NSỌ | 6:53 - 6:57 | NKEKI 4 | |
| 10. | IMA ỌKWA/MMECHI | 6:57 - 7:00 | NKEJI 3 | |

ỌTỤTỤ EKPERE:

1. Kele Chineke maka ime **ụlọ ofufe** nile nke Salvation Ministries, ka ọ bụrụ ebe nkasi obi nye mmadụ niile, nakwa imezu ọchịchọ obi anyị nile. **Abụ ọma 62:7.**

2. Rịọ Onye Nwe Anyi ka O ziga ọnụma Ya megide ihe ọbula ma-ọbu onye ọbula nke na-atụ atụmatụ megide mgbasa nke ụlọ ofufe Salvation Ministries na mba ụwa nile. **Ọpupu 23:22.**

3. Kpee ekpere megide ekwensu maka n'iwakpo gị, na ndị nile ịhụrụ na-anya n'ezịe site na nria-nria, ma-ọbu ọnwụ. Tọpu onye ọbula eji na-agbu, ma kwubie ogologo ndụ nye onye ọbula. **Aisaia 49:25.**

4. Rịọ Onye Nwe Anyi ka O kpughee ma tinye n'ihe ihere, bu onye ọbula gị na ya bi, ma-ọbu gị na ya na-arụkọ ọrụ, mana Ọ n'emegide gị na ezinụlọ nzuzo. **Ndị Hibru 4:13.**

5. Rịọ Onye Nwe Anyi ka Ọ gọzie ndị nile n'enwe ofufe n'nzukọ anyị nile n'ezịe site ọrụ ọrụ ebube, arụm dị na nwunye, ịrụ ọma, agam n'ihu, na mbuli n'ọkwa. **Nkpughe 3:8.**

6. Kpee na ezi atụmatụ Chineke banyere ndụ gị, ụmụ gị, azụmahịa gị, ọrụ aka ya, dgz, ga-abia na mmezu n'ime ọnwa a, ọgaghi aghasasi n'uzọ ọbula. **Jeremaia 29:11**

**7. Mak 11:24- Ya mere M'ji si unu, Ihe nile, ka ha ra, bú nke unu nēkpe n'ekpere riọ kwa, kwenu na unu anatawo ha, ha gādiri unu.**

Ekpere nke onwe gị/Ịsu n'ire. NKEJI 12

OKWU NWULITE: **Ndi Amụma bu ndi agha nke mgbapụta na nweghachi. Ezra 3:10.** Ha bụkwa ndị agha nke ọganihu. **Ezra 4:23-24, 5:1-2.** Chineke n'iji ha etiji agbu ọgbat'uhie nile. Ha bu ndi agha nke ihe ịrịba àmà. Ọganihu gị bu ihe eketọbara n'ebe Onye Amụma gị nọ **2 Ihe Emere 20:20b.** Ndị Amụma n'eweta uru.

ETU I G'ESI KPORIE NDU NA NGỌZI NKE IJE OZI NKE ONYE AMỤMA

1. Ị GA-ANABATARỊRỊ ONYE AMỤMA: Ndị Hibru 7:7, Matiu 10:41. Mgbe ọbula ịnabatara Onye Amụma,

Edit with WPS Office

ị ga-ekpori ndụ na ngọzi nke Onye Amụma. Ọbụrụ na ịnabataghị Onye Amụma, amara ya agaghị arụrụ gị ọrụ.

**2. IRUBERE ONYE AMỤMA ISI:** Nrube isi nwere ike ịfụ gị ufu nwa mgbe nta, mana ọ ga-abara gị uru ogologo oge. Onwere ike ịgara ọnụ, mana ụgwọ ya bu ihe anapughi ịhụ ọnụ.

**3. ỊKỤ MKPỤRỤ NA NDỤ HA MGBE NILE:** mgbe ịnyesịrị onyinye gị na otu ụzọ n'ụzọ iri gị. Inye Onye Amụma gị n'eweta akụn'ụba nke alaeze. **Ndị Hibru 7:7, Luk 8:1-3,** inye Onye Amụma gị g'eme ka ịgaa n'ihu. **Ndị Filipai 4:15-19, 1Ndi-Kọrint 9:11.**

INABATA KRAỊST: **Onye Nwem Jizọs, bata n'ime ọbim. Anabatam Gị dịka Onye Nwem na Onye nzọpụtam, Ekele dịrị gị n'ihi na ịzọputawom na-aha Jizọs.** NKEJI 15

ỊKPALỊTA ỤKA NA ỊJỤ AJỤJỤ: **Nata ajụjụ na aka ndị otu nzukọ ma jukwaa ajụjụ gbasara ihe nkuzi nke taa.** NKEJI 5

EKPERE NKE ONWE: **Aririọ ekpere si na-aka ndị otu nzukọ nakwa ikperitara onye ọbula ekpere. (1).** Ọgwụgwọ nsọ, **Matiu 8:17, Aisaia 58:8a.** (2). Nkpụrụ nke afọ- **Jenesis 1:28, Deterọ 7:14.** (3). Ịjụ ikwụ ụgwọ ọrụ arụrụ-arụ **Rut 3:18b, Levitinkọs 19:13, 1Tim 5:18. (4).** Nmeri n'ụlọ ikpe- **Daniel 7:22.** (5). Ihe-ọjọọ nwere oge o ji abia- **Nehum 1:9.** (6). Ndi njem - **Abu-Ọma 121:7-8.** (7). Inata ihu-oma- **Abu-oma 44:3. Ọpụpụ 3:21.** (8). Nzọpụta ndi nmehie- **Abu ọma 16:10-11a.** (9). Inweta dí nye ụmụ-nwanyi- **Aisaia 62:5/** Inweta iru-ọma nye ụmụ-nwoke- **Abu-oma 5:12** (10). Megide itụ egwu onwụ - **Abu-oma 63:9-10, Aisaia 49:25-26.** (11). Izu-oke- **Abu-Ọma 138:8.** NKEJI 8

ỌGBỤGBA ÀMÀ: **Ịgaba àmà si a-akara ịntanetị. Nke a sitere n'aka Omologbe Elizabeth.** K'mgbe m sonyere n'ókè Nzukọ a, anam ekpori ndụ na ọtụtụ ngọzi Chineke. Na mbụ, Nnam, onye na-agabiga ukwu ọzịza ihe dika afọ iri abụọ na anọ ugbua, enwetawo ọgwụgwọ nsọ ya kpam kpam. Nke abụọ, na afọ gara-aga, n'oge ana eme mmemme ncheta ọmụmụ nke Onye Ọzụzụ Atụrụ, akụrụm mkpụrụ na ndụ Onye Ọzụzụ Atụrụ, agwaram Chineke na tụtụ Onye Ọzụzụ Atụrụ g'eme ncheta ọmụmụ ya na-afọ ọzọ, na-achọrọm inwe ọrụ. Chineke nke n'edebe ọgbụgba ndụ mere ya. Enwetaram ọrụ nke m na-atụ anya ya n'ime ọnwa Septemba a. Anọm ebe a, inyeghachi Chineke ekele nile.

NKEJI 3

ỊNABATA NDỊ ỌHỤRỤ: N'EBE A, I GA-ANABATA NDỊ NILE TAA BU IZIZI HA N'ESONYERE ANYỊ NA ỌGBAKỌ A NKEJI 2

OGE ORIRI NSỌ: **[Biko mara na: achịcha, biskiti ma-ọbu keki ka inwere ike iji mee arụ Jizọs, ebe iga eji kwa mmanya ọṅụṅụ na mmanya na-adịghi aba n'anya wee mee Ọbara]** Onye nw'anyi dika'm n'eri arụ gị ma n'añụ kwa ọbara gị, anam eketa oké na ndụ ebighị ebi gị nakwa ihe niile n'eso nzọpụta abia. Agaghizị enwe nria nrịa, ihe otiti na ọnwụ. Anam anara arụ ike si n'elu, ike si n'elu, ogologo ndụ bàrà uru dgz, na aha Jizọs! **[Setipu aka gị rue tebulu oriri nsọ ma kwubie ihe ndị ị chọrọ na aha Jizọs].** NKEJI 4

ỌKWA DI OKE NKPA: (1.) GBAA NDỊ OTU ANYỊ UME IWEPUTA ỤLỌ HA/ỤLỌ ỌRỤ HA MAKA IJI CHIKỌBA ỌGBAKỌ ANYỊ NILE DỊ N'ỤLỌ IJI CHIKỌBA MKPỤRỤ OBI NILE AZỌPỤTARA N'IME OFUFE NAKWA ỌGBAKỌ ANYỊ NILE GÀRÀ-AGA. (2). GBAA NDỊ OTU ANYỊ UME MA KWADO KWA HA/NDI ỌHỤRỤ/ NDỊ AZỌPỤTRA ỌHỤRỤ KA HA GAA KLASSI NTỌALA NKE NZUKỌ A, IME MMIRI NKE MMỤỌ NSỌ (BAPTIZIM), IGA ỌMỤMỤ ỤLỌ AKWỤKWỌ NSỌ NKE NZUKỌ A BU (S-WOLBI). (3.) OBGUGBA ÁMÁ NILE GBÀRÀ ỌKPỤRỤKPỤ NKE SITERE NA NGALABA NZUKỌ KRAỊST DỊ N'ULỌ KA AGA-EZIGA NA-AKARA celltesimonies@smhos.org M'ỌBU NA: +234(0)908 668 0613, +234(0)903 662 0748, +234(0)903 662 0597.(4.) GBAA MBỌ NWETA AKWỤKWỌ INWERE IKE IJI MEPEE ỤLỌ OFUFE NKE NZUKỌ A, NAKWA AKWỤKWỌ A EJI ENWE OFUFE, NA-AKARA ỊNTANETỊ: www.fellowship.smhos.org (5.) MAKA AJỤJỤ, IJỤ ESE NAKWA INYE NTUZI AKA N'UZỌ Ị CHỌRỌ KA ESI MEE GI MMA KARIA, GBAA MBỌ ZIGARA ÀKÀRĀ EKWENTỊ NDỊA DỊ N'ELU OZI MA-ỌBU ZIGARA HA AKWỤKWỌ OZI NA-ÀKÀRĀ *info.cell@smhos.org*. (6). IHE IBU N'UCHE NKE IZUKA ỌZỌ/ DEETI/ INỌ N'ỌNỌDỤ NKE INWETA IRU ỌMA.. 22/10/24. *NKEJI 3.*

Edit with WPS Office